# NGỌPỤ NKE PỌL MAKA ỊBỤ ONYEOZI NA IJÉOZI YA

**2 Ndi Kọrint 10:1-18; 11:1-33; 12 1-21**

**IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 397**

**Nke Ndị okenye**

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Adigh ike nile ná imem ihe-ihere nile na nkpà nile na nsogbu nile na óké nkpà n'ihi Kraist dim ezi nma: n'ihi na mgbe ọ bula m'nādigh ike, mgbe ahu ka m'nādi ike" (2 Ndi Kọrint 12:10).**

**I Ngọpụ nke Pọl**

1 Pọl gosipụtara ike nke imemmụọ nke bụ ihe eji jikere ya imegide onyeiro, 2 Ndi Kọrint 10:1-9; Ndi Efesọs 6:13

2 Ndị náeguzogide Pọl kwuru na akwụkwọozi ya dị arọ, ma_okwu ya bụ ihe nleli, 2 Ndi Kọrint 10:10, 11; Ndi Galetia 4:13; I Ndi Kọrint 2:3-5

3 Pọl naebo ha ebubo na ha naeweli onwe ha elu n'ebe ha náerughị ma náanyá kwa isi ná ndọgbu n'ọlụ nke ndị ọzọ, 2 Ndi Kọrint 10:12-16

4 Onye ahụ nke Onyenweanyị naeme ka amara ya, onye ahụ ka arọpụtara, 2 Ndi Kọrint 10:17, 18; Ilu 27:2; Ndi Rom 2:29

**II Akụkụ nke Pọl Maka Oziọma ahụ**

1 Amanyere Pọl ka o tòò onweya, 2 Ndi Kọrint 11:1-22; Jọn 8:44

2 Pọl gụkọrọ ahụhụ ya n'ihi Oziọma, 2 Ndi Kọrint 11:23-33; Deuteronomi 25:3; I Ndi Kọrint 9:22; Ọlu Ndi-ozi 20:31; 27:41

**III Mkpughe dị Icheiche nke Pọl**

1 Eweliri Pọl rue Paradais, 2 Ndi Kọrint 12:1-6

2 N'ihi ka aghara iwelibiga ya elu ókè site ná mkpughe ndịa, enyere ya ogwu n'anụarụ, 2 Ndi Kọrint 12:7-9; Ndi Galetia 4:13, 14

3 Ọ nyaraisi náadịghịike ya niile, n'ihi na mgbe ọ náadịghịike mgbe ahụ ka anaeme ka ọ dị ike, 2 Ndi Kọrint 12:10; 7:4; 13:4; Ndi Rom 5:3

4 Ọ naara ụgwọọlụ n'aka nzukọ ọzọ ka o wee kwusaara ha Oziọma n'efù, 2 Ndi Kọrint 12:11-21; Ọlu Ndi-ozi 20:33; 2 Ndi Kọrint 11:8

## NKỌWA DỊ ICHEICHE

### Onye Mkwusanjègharị Kachasị Ukwu

Pọl bụ onye amụrụ na Tasọs, obodo nke amaàrà nkeọma n'ihi óké mmụta. O nwere amamihe nke ukwu n'ebe omen'ala ndị Grik na amamihe ha dị. Ọ bụ kwa otù onye nime ndị azọpụtara n'ụkwụ Gamaliel, onye òzízí nke ndị Juu amaàrà aha ya n'oge ahụ Ọ maàrà Iwu ahụ. Ihe ndịa niile abụghị ihe achọrọ n'aka mmadụ ọ bụla tutu ya abụrụ Onyeozi, kama anyị kwere na Onyenweanyị jiri ihe ndịa lụọọlụ, ma mee ya ka ọ bụrụ onye mkwusanjèghari kachasị ukwu nke enweworo n'ụwa.

### Ihe dị Icheiche Achọrọ maka ị bụ Onyeozi

Ọ dị ihe ụfọdụ ndị ahụ chere na ọ dị mkpà ka mmadụ nwere ha tutu onye ahụ abụrụ Onyeozi. Otù nime ihe ndị ahụ bụ na ọ gaabụworị onye hụrụ Onyenweanyị anya. Ná I Ndi Kọrint 9:1, 2, Pọl naajụajụjụ dị otú a: "Àbughm onye-ozi? Enweghm onwem? ahughm Jisus Kraist Onye-nwe-ayi? Ùnu onwe-unu abugh ọlum nime Onye-nwe-ayi? Ọ buru na abughm onye-ozi n'ebe ndi ọzọ nọ, ma otú ọ dị abum onye-ozi n'ebe unu nọ. N'ihi na akàrà nke ọlu onye-ozi nkem ka unu onwe-unu bu nime Onye-

nwe-ayi.” Na 1 Ndi Kọrint 15:8: “Ma n’ikpe-azu ha nile, dika nwa amukworo amukwo, O mere ka mu onwem hu kwa ya anya.” Pọl gwara ha n’ụzọ ọ pụtara ìhè na ya ahụwo Onyenweanyị.

Iheọzọ dị mkpà achọrọ bụ na ọ gaabụ onye Chineke kpọrọ (Edere ihe banyere ọkpụkpọ Pọl ná Ndi Galetia 1:11, 12). Iheọzọ dị mkpà achọrọ bụ na iheiribaàmà na ọlụebube dị icheiche aghaghị isoro ijéozi ya (Mak 16:17, 18). Pọl mezuru ihe ndịa niile achọrọ. Ọ sịrị: “Ewere ihe iribaàmà di iche iche na ọlu ebube na ọlu di ike di iche iche luputa ihe-irba-ama nile nke onye-ozi n’etiti unu ezie na ntachi-obi nile” (2 Ndi Kọrint 12:12).

Pọl kwuruokwu Chineke na Kọrint otù arọ na ọnwa isii. Onyenweanyị lụrụọlụ dị ukwu nke mere na emeghekwara otù nzukọ guzosiriike n’ebe ahụ. Mgbe Pọl náanọghị kwa, ekwensu webatara otù onyeiro nke náakpọ onweya onyeozi nke Jisọs Kraist. Ọ naadọrọ ndị ahụ nye onweya náadọpụ kwa ha site n’ezi Oziọma ahụ. N’ihi ka o weliere onweya otù aha, o sogburu Pọl site n’itinye nghọtaghie na ịkpọ Pọl aha ọjọọ n’ebe nzukọ ahụ nọ. Ọ dịghị ihe ọ pụrụ ịchọpụta megide omume Pọl, n’ihi nke a o wee chọpụta ntụpọ nke anaahụ anya nke dị n’anụarụ Pọl na okwu ya. Onyeiro ahụ wee náekwu na Pọl naekwuwaokwu na akwụkwọozi ya sikwaraike mgbe ọ naanọghị ya, ma mgbe ọ nọ n’etiti ha ọ dịghị ike na okwu ya naabụ kwa ihe akpọrọ iheefù.

Pọl kpọrọ ha ndịozi ụgha, ndị ọlụ ná aghọaghụghọ, ndị náeme onweha ka ha yie Ndịozi nke Kraist; o wee náekwu kwa na ọ bụghị ihe ijuanya, na Setan naeme onweya ka o yie mmụọozi nke ìhè, na ọ bụghị kwa ihe ijuanya ma asị na ndị náejere ya ozi naeme kwa onweha ka ha yie ndị náeje ozi nke eziomume.

**Iji Onweha Tụọ Ihe**

Pọl naagwa ha na amamihe adịghị na nke a na ha naewere onweha tụọ onweha. Ọ dịghị njedebe dị n’ịdịelu nke mmadụ náechè na ya onweya dị mgbe ọ naeji onweya tụọ onweya, maọbụ were ihe dị ala náatụ onweya karịa iwere ihe dị elu.

Pọl kpọrọ nke a ijègharị dịka anụarụ si chọọ. “Ọ bu ezie na ayi nējeghari n’anu-aru, ma ayi adigh ebu agha dika anu-aru si chọ; (n’ihi na ihe agha nke ibu-agha-ayi abugh nke anu-aru: kama ha sitere na Chineke bú ihe puru ikwatu ebe ewusiri ike).” Ọ naeme kwa ka o doo ha anya na ya gaje ịbịakwute ha ọzọ, na ihe ahụ ya onweya bụ mgbe ọ naanọghị n’etiti ha bụ kwa ihe ọ gaabụ mgbe ọ gaanọ n’etiti ha n’oge ọzọ.

**Ebubo Ụgha dị Icheiche**

Iji mee ka Ndị Kọrint ndịa laghachịkwute Kraist, Pọl chere n’obi ya na ya aghaghị iji eziokwu gọpụ onweya. Ọ sịrị na ịnyaisi ekwesịghị ịdị ná ndụ obiumeala nke OnyeKraist, ma ya onweya aghaghị ime ka amata na akụkọ ugha ahụ niile nke ha naebugharị abụghị eziokwu.

Ndị ọlụ a náasịasị na anyaisi n’osusoọmụmụ ha. Pọl jiri nke ya tụnyere ha náagwa kwa ha ọtụtụ ahụhụ ọ hụrụ n’ihi Oziọma. Mgbe ọ naecheta oge iheisiike ndịa, adọọrọ obi ya rue n’ebe ndị ahụ náadịghịike ma náahụ kwa ahụhụ nọ, o wee tie mkpu sị, “Onye nādigh ike, nke mu onwem nēsogh ya nādigh-ike ya? Ònye ka anēme ka ọ ma n’ọnyà, nke mu onwem nēregh ọku n’ihi ya?” Ewezuga ọnwụnwa ndịa niile ọ dị kwa ihe nke náanyịgbu ya kwa-ụbọchị: “nchegbu ọ nēchegbu onwe-ya banyere nzukọ Kraist nile.” Ọ bụghị onye náatụegwù. O jikeere ijide ọdụm n’afụọnụya tụpụ ya n’ezi. Ọ chọghị inye onyeiro ahụ ohere igbebata wee lomie igwèatụrụ ahụ náemekpaghị ya arụ. Eleghịanya Pọl bụ onye náadịghịike n’arụ ma ọbụghị nime mmụọ. O wepụtara ike niile nke imemmụọ ya iji megide onyeiro ahụ nke náenweghị obiebere ịkwada ya na ịnapụta igwèatụrụ ahụ.

**Ndọgbun’ọlụ nke Ndị ọzọ**

Onyeozi ụgha ahụ abatawo n’ofe nke Pọl na n’ebe Pọl dọgbuworo onweya n’ọlụ náagbalịsiike inweta ha dịka agaasị na ha bụ nke ya. Otù onyeochie nke anaasọpụrụ kwuru ihe banyere ụdị mmadụ a: “Ọ bụ ihe náabaghị urù, bụrụ kwa ihearụ, na mmehie dị omimi, bụ mmadụ ịtụba onweya nime ndọgbu n’ọlụ nke ndịọzọ, na site kwa n’ịgha mkpụrụ nke obiabụọ nke jupụtara n’esemokwu n’etiti Ndị nke Kraist, iji gbasasịa uche ha ma náekewa kwa ha, ka o wee nweta ndị gaabụ ndịòtù ya.”

Ọ dịghị mgbe Pọl nwara ịbanye n'ebe onyeọzọ buruụzọ kwusa Oziọma. Ebe ọ naejé bụ ebe ọ naadịbeghị onye kpọrọ aha Kraist n'ebe ahụ, ka ọ ghara iwukwasị n'elu ntọala nke onyeọzọ.

O ji ya tụnyere egwuriegwù nke Olympic wee kwupụta onye a nke náabànye n'ebe ọ naekwesịghị ịbànye n'ike na ọ banyewo n'egwuriegwù ahụ n'ụzọ megidere iwu. "Onye nānya-isi ya nya n'Onye-nwe-ayi. N'ihi na onye ya onwe-ya nēme ka amara ya ọ bugh onye ahu ka anwaputaworo, kama ọ bu onye Onye-nwe-ayi nēme ka amara ya."

**Ụdị dị arụ nke Pọl**

Ndị ahụ nke náekwugide Pọl sịrị na Pọl adịghịike n'ile ya anya n'arụ na okwu ya bụ ihe anaeledaanya. Otù onye Grik nke náede akwụkwọ n'oge ochie kwuru ihe banyere Pọl na o bughịibu n'arụ ya ma ogologo ya "ruru elu-igwe." Na ọ bụghị onye dị ntakịrị n'ile ya anya bụ ihe apụrụ ikwenye n'owuweanya ma ọ bụghị otú a ọ gaghị abụworị onye enyere ọlụ nke ịkpagbu nzukọ Kraist n'okpùrù ọchịchị nke onyeisinchụàjà.

Anyị nwere iheàmà pụtara ìhè na okwu ya bụ ihe anaapụghị iledaanya site n'ihe ahụ nke mere n'Ọlụ Ndi-ozi 14:12, ebe ndị Laikonia chere na ọ bụ Mekuri (Mercury) n'ihi na ọ bụ ya bụ́ onyeisi ọkaokwu. Mekuri (Mercury) bụ chiọkaokwu nke ndị Grik.

**Ịghọgbu Igwè Atụrụ ahụ**

Ndịamụma ụgha ahụ náaghọgbu igwèatụrụ ahụ, Pọl naechètara ndị Kọrint na ya kwusaara ha Oziọma ahụ n'efù, náewere aka ya lụọlụ maka igbò mkpà ya. N'ikpeazụ nzukọ Kraist niile dị na Masedonia zitekwara inyeaka. N'ụzọ ịtụilu, ọ rụtụrụ nke ahụ aka dịka o mere ha ihe ọjọọ wee náarịọ ka ha gbaghara ya. Ò mere ya n'ihi na o nweghị ịhụn'anya n'ebe ha nọ? Chineke matara. Ka ọ naahụ́ ha náanya karịa, otú a ka ha naakpọ ya asị karịa. Ọ nyaraisi n'ikwusa Oziọma ya n'inwereonwe náanataghị ụgwọọlụ n'aka onye ọ bụla, na ọ dịghị kwa onye ọ bụla gaanapụ ya inwereonwe ahụ. Ọ rọọrọ ka o were aka ya abụọ lụọlụ karịa ịnara onye ọ bụla ụtụ́.

**Eweliri Elu rue Eluigwe**

Pọl naegosi na ya abụghị onye dịkarịsịrị ntà n'etiti Ndịozi wee náakọwa ihe ọnwapụtara n'ebe Onyenweanyị nọ arọ irinaanọ garaaga. Eleghịanya n'ọtụtụ arọ ndịa, nke gaabụworị ihe nzuzo dịrị ya na Onyenweanyị, ihe dị nnọọ nsọ ịkpọ ya aha. Ọ naemem ka ha mara ya ugbu a iji nyere ha aka ịnapụta ha site n'ọnyà nke onyeiro nke ha naadaba nime ya. Ọ naakọwara ha na eweliri ya elu rue Paradis na ọ hụrụ ma nụ kwa ọtụtụ ihe nke náezighịezi n'iwu ikwu ha. N'ihi ịdị ukwu nke mkpughe ndịa ka Onyenweanyị ji nye ya ogwu n'anụarụ ya ka o wee nọgide n'inwe obiumeala ka aghara kwa iwelibiga ya elu ókè. Ọ rịọrịọ Onyenweanyị ugbò atọ ka O wepụ ya n'arụ ya, ma Onyenweanyị sịrị, "Amaram ezuworo gi."

Ejikọtara nnọọ mmụọ nke Pọl na Jisọs Kraist nke mere na ọ ñụrịrịọñụ n'ahụhụ ya niile n'ihi Oziọma. Ọ matara na anaeme ka ike ya zueòkè nime adịghịike. N'ihi nke a ọ pụrụ ikwu na adịghịike niile na ime ya ihe ihere niile na mkpà niile na mkpagbu niile n'ihi Kraist dị ya ezimma.

Mgbe ọnwụnwa na nsogbu dị icheiche bịara n'ụzọ anyị, ànyị na añụrịọñụ nime ha? Maọbụ anyị naákwáákwá náenwe kwa mwute ihe ọdịn'iru anyị gaabụ? Ha naeweta ike nke Chineke ná ndụ anyị karịa, maọbụ ha naeme ka ịnụọkụ anyị na agbamume anyị nke anyị gaeji lụọ ezi agha nke okwukwe ahụ belata? Pọl achọpụtawo ihe nzuzo ahụ dị ukwu nke dị n'Oziọma, nke mere na ọ dịghị ihe otiti ọ bụla nke Ekwensu nke pụrụ iwepụ ya n'okpuru Nkume ahụ ebe ezobeworo ya.

## AJỤJỤ DỊ ICHEICHE

1. Gịnị mere Pọl ji náagọpụrụ ọnọdụ nke ịbụ onyeozi ya?
2. Ònye bu ụzọ wegara Ndị Kọrint Oziọma ahụ?
3. Ekwensu ọ naezipụ ndịọlụ ịbà n'ubivine nke Onyenweanyị?
4. Kọwaa ụdị ha n'ile ha anya.
5. Gịnị ka enyere Pọl iji mee ka o nwee obiumeala?

6 Gịnị ka ndịiro nke Pọl kwuru banyere ụdịdịarụ ya?

7 Kwue ihe ụfọdụ nke mere iji chee na ihe ha kwuru abụghị eziokwu?

8 Òlee otú Pọl si nweta ego maka ikwusara Ndị Kọrint Oziọma?

9 Kwue ahụhụ ụfọdụ nke Pọl hụrụ n’ihi Oziọma ahụ?

10 Nime gịnị ka ọ ñụrịrịọñụ?